# UWENWỤDA NA UWE NIILE NKE NDỊNCHỤÀJÀ ISRAEL
## Ọpupu 28:1-43; 29:29, 30; 39:1-31
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 97 – Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Obi gātọm utọ nke-uku nime JEHOVA, … n'ihi na Ọ chiriwo uwe nzọputa yikwasim" (Aisaia 61:10).**

**Nlebaanya nke Chineke N'usoro Niile**

Mgbe Chineke wepụtara ihe banyere ọnọdụ onyenchụàjà n'oge ahụ amara ụlọikwuu n'ọzara, ọ bụghị náání ọlụ nke Eron na ụmụ ya gaalụ ka Ọ gwara Moses, kama Ọ gwarakwara ya ụdị uwe ha náaghaghị iyi. Anyị chọpụtara na Chineke chọrọ nnọọ ka emee ihe niile dịka Okwu Ya si dị. Ọ dị nnọọ mkpà otù aka ahụ n'ụbọchị taa ka anyị bụrụ ndị náeso òzízí niile nke Baịbụl nkeọma n'usoro n'usoro n'akụkụ niile ọ bụla.

Uwe niile Eron na ụmụ ya gaabụ uwe dị nsọ, ọ dịghị kwa onye ọzọ nke gaeyi uwe dị otú ahụ. Ụmụ Chineke n'ụbọchị taa bụ ndị eyikwasịrị uwe ọma nke ndị ụwa náapụghị inwe. "Ọ chiriwo uwe nzọputa yikwasim, O werewo ezi-omume kpuchiem" (Aisaia 61:10.

Chineke nwere ihe Ọ naezube maka ụdị uwe ahụ nke ndịnchụàjà naeyi. Ha aghaghị ịbụ ezi ákwà ọcha náenwu enwu. Jọn gwakwara anyị nime Nkpughe na ezi ákwà ọcha ahụ bụ̀ eziomume niile nke ndị nsọ. Uwe ha gaabụ "ihe nsọpuru na ihe mara nma." Mgbe Pita naekwuokwu banyere ịchọmma ụmụ Chineke, ọ sịrị, "Ndi ichọ-nma ha ka ọ ghara ibu ichọ-nma ahụ nke aru….Kama ka ọ bụrụ madu zoro ezo nke nkpuru-obi, … nke bu mọ di nwayọ di kwa udo, nke di oké ọnu-ahia n'anya Chineke" (I Pita 3:3, 4).

**Uwenwụda nke Onyeisinchụàjà**

Uwenwụda nke onyeisinchụàjà bụ ihe maramma nke ukwuu karịa nke ndị nchụàjà ọzọ. O nwere ọtụtụ ọlụ dị nsọ nke ọ gaalụrụ Onyenweanyị, ịdịnsọ nke ya kwesịkwara ịdị ukwuu. N'elu isi ya o yikwasịrị ákwà nkụkụisi. Ejiri ezi ákwà ọcha mee ya, emeziri ya nkeọma gburugburu isi ya. N'elu ebe iru ya ka otù mbadamba eji ọlaedo mee dị nke edere okwu ndịa, IHE NSỌ JEHOVA NWERE. Mgbe ọ bụla ndị ahụ lere onyeisinchụàjà anya wee hụ́ mbadamba nke ọlaedo ahụ, ha gaechè échìchè banyere ịdịnsọ nke Chineke.

Ka ọlụ Chineke naakpọ anyị lụọ naadị ukwuu otú ahụ ka anyị kwesịrị ịbụ ndị náekpesi ekpere ike na ndị náeji obi chụọàjà ka anyị wee nwee mmụọ ahụ nime anyị nke "ga-edozi" anyị maka ijéozi ahụ. Ezi àkwà ọcha ahụ nke onyeisinchụàjà bụ ihe ejiri ọlaedo na ọtụtụ eriri nwere àgwà dị icheiche nke ihe náenwuenwu chọọ mma. Uwenwụda ahụ enweghị aka, ọ bụ kwa ihe emere ka ọ naeru n'alaala ụkwụ ya. Otù atañ ọlaedo ntakịrị na otù pomegranate dị n'ọnụọnụ ala uwenwụda ahụ gburugburu. Ọ dịghị onye pụrụ ịba n'Ụlọikwuu ahụ karịa náání ndịnchụàjà ya mere ụda nke atañ ahụ nke dị n'uwenwụda nke onyeisinchụàjà mgbe ọ naejéghari naeme ka ndị ahụ nke nọ n'ezi náege ntị mara na ọ dị ndụ na ọ naarịọkwara ha arịrịọ n'iru Chineke.

N'elu uwenwụda a onyeisinchụàjà yikwasịrị ephod nke "ọla-edo, na ogho anunu, na ogho ododo, na ogho uhie, na ezi-ákwà ọcha akpara nke ọma, bụ́ ọlu onye-ọ̀kà." Akụkụ ụfọdụ nime ya naadị n'elu ubu ya n'ebe àzụ́ akụkụ nke ọzọ dị kwa n'elu obi ya. Anaeji iyagba atụ̀rụ̀ àtụ̀ dịka ụdọ kegide ha n'elu ubu ya n'otù n'otù, otù nkume onyx dị kwa, edere aha ebo isii nke Israel n'elu otù, edekwara aha nke ebo isii nke ọzọ n'elu otù nke ọzọ. Ụmụ Israel apụghị ịbakuru Chineke n'onweha, kama onyenchụàjà naeburu aha ha n'elu ubu ya abụọ mgbe ọ naabà n'Ebe Nsọ.

**Ihe Igbochiobi**

Onye nchụàjà naebu kwa aha niile nke Ụmụ Israel n'elu obi ya n'iru Onyenweanyị n'ụdị ihe igbochiobi nke edokwasịrị nkume iri na abụọ. Otù nkume dị iche n'ile ya anya n'ebe ibe ya dị, ọ bụ kwa n'elu otù nkume ọ bụla ka edere aha nke otù ebo nke Israel. Ọ bụ náání onyeisinchụàjà naeyikwasị ephod ahụ na ihe igbochiobi ahụ nke dị óké ọnụahịa; ya mere anyị naahụ́ na Israel aghaghị ịdabere náání n'onyeisinchụàjà, maka ịrịọrọ ha arịrịọ n'iru Chineke. N'ebe ahụ anyị naahụ́ kwa na egosiri onyinye nke Jisọs n'ụdị onyeisinchụàjà. Jisọs arịgorowo n'Eluigwe ịrịọ arịrịọ n'iru Chineke maka ndị Ya nke nọ n'eluụwa.

Ebe kachasị mkpà n'akụkụ niile nke uwemgbokwasị nke onyeisinchụàjà bụ Ìhè ahụ na Izuókè ahụ. Ọ bụ site na nke a ka ndịnchụàjà si amara uche Chineke. Ọ dịghị onye mara nnọọ otú ha dị n'ile anya, ma Chineke gwara Moses "I gētiye kwa n'ihe-igbochi-obi nke ikpé ahụ Ìhè ahụ na Izu-okè ahu; ha gādị kwa n'elu obi Eron mgbe ọ nābà nime n'iru JEHOVA: Eron gēbu kwa ikpé nke Umu Israel n'elu obi-ya n'iru JEHOVA mgbe dum" (Ọpupu 28:30).

Chineke agwaghị ndịnchụàjà ahụ okwu dịka Ọ gwara Moses, "iru-na-iru." Ha gaadabere n'Ìhè ahụ na Izuokè ahụ ka ha wee mata uche Chineke. Mgbe ọtụtụ arọ̀ gasịrị, n'oge nke Devid, mgbe igbe ọgbụgbandụ ahụ náadịghị n'Ụlọikwuu, anaamata kwa uche Chineke site n'otù ụzọ a. Devid matara na Sọl naachọ ụzọ imegide ya ma ọ chọkwara

ịmata ihe Chineke chọrọ ka o mee. Ya mere ọ kpọrọ Abaita bụ́ onyenchụàjà ka o weta ephod ka o wee jụa Onyenweanyị àsè. Chineke zara ya site n'Ìhè ahụ na Izuokè ahụ (I Samuel 23).

Anaekwenye na Ụmụ Israel chọpụtakwara site n'ụzọ dị otú a ebo ahụ nke gaebu ụzọ jee ibuso ndị Kenean agha, dịka edere ya ná Ndi Ikpé 1:1, 2; ma na Ndi Ikpé 20:18 anyị naagụ sị: "Ụmu Israel we bilie rigorue Betel, jua Chineke asa; ha we si, Ònye gēbu uzọ rigoro ayi ibuso umu Benjamin agha. JEHOVA we si, Juda gēbu uzọ." Ma otù mgbe Sọl naajụ Chineke àse, mgbe o mehiere, ọ dịghị ọ̀zịzá ọ natara, "Ọ zagh ná nrọ, ma-ọbụ n'ìhè, ma-ọbu n'uzọ ndị amuma" (I Samuel 28:6).

Ihe ọ bụla Ìhè ahụ na Izuokè ahụ bụ, ha naeme ka amata uche Chineke naenye kwa onyeisinchụàjà amamihe iji kpee ndị ahụ ikpé. Ikpé nke Chineke abụghị "dika anya-ya abua si ahu ka Ọ gēkpe ikpé ọ bugh kwa dika nti ya abua si anu …" (Aisaia 11:3). Ọ naele anya n'obi nwee kwa ike kwue ma mmadụ ọ naekwu eziokwu maọbụ na ọ dịghị ekwu. Onye isinchụàjà bụ onyeikpé n'etiti ndị ahụ, ma ya onweya na ajụta amamihe n'aka Onyenweanyị.

**Ọlụ nke Anyị N'ịrịọchita Arịrịọ**

Onyenweanyị arọpụtawo iyikwasị ụmụ Ya uwe nsọ. O werewo ihe ịchọmma nke imemmụọ chọọ anyị mma. O werewo kwa uwemgbokwasị nke otuto kpuchie anyị. Mgbe onyenchụàjà batara nime ebe ọ̀fụ̀fè ọma ahụ ebe náání ákwà kachasị mma na ọlaedo kachasị mma bụ ihe ejiworo gosi nsọpụrụ nye Ebe Nsọ Chineke, ọ kwesịrị ka eyikwasị ya uwe nsọ ka o wee kwesị ijèozi n'iru Onyenweanyị. Òlee otú mmadụ gaesi bụrụ onye ji uwe emerụrụ emerụ náejere Onyenweya ozi, bụ uwenwụda nke mmehie nyeworo ntụpọ? Ọ bụrụ na mmadụ bụ onye mmehie o kwesịghị ka o jee ozi ọ bụla nime ọ̀fụ̀fè nke Chineke. Náání ihe o nwereike ime bụ iweda onweya n'ala kpee ekpere ná nchègharị, "Chineke ka obi-Gi juru n'ebe mu, bu onye nmehie, nọ." Chineke, gaanụ ụdị ekpere dị otú a nke sitere nime obi, gaasachapụ kwa mmehie ya niile wee mee ya onye nke Kraist, nke nwekwara uwemwụda dị ọcha.

Mgbe edoro anyị nsọ anaachọ anyị mma karịa site na Mmụọ Nsọ ahụ, nke náeweta ịmamma nke ịdị nsọ. Chineke agọziwo anyị ngọzi nke imemmụọ. Ọ naele kwa anya ihe anyị gaemere Ya. Anyị gaabụ ndị náecheta ụmụ nna anyị n'ekpere n'iru Chineke. Ọ bụrụ na ha arịa ọrịa anyị gaarịọ Chineke ka Ọ gwọọ ha; mgbe ha naañụrịọñụ, anyị gaesoro ha ñụrịa; nime ihe mgbu ha anyị gaesoro ha kwaa ákwà ma kpee kwa ekpere ka Chineke nyere ha aka ibu ibu arọ ha. Ọ bụghị náání ndị ézìnaụlọ anyị, ndị anyị hụrụ n'anya karịsịa ka anyị n'ebu n'obi anyị n'ekpere, kama ụmụ Chineke niile. "Nēkpe kwa ekpere n'ihi ibe-unu, .. Arịrịọ nke onye ezi-omume di ike nke-uku n'ilusi-ọlu-ike-ya" (Jemes 5:16).

**Nghọta**

Mgbe Mmụọ Nsọ batara nime obi anyị ewee wụọ kwa anyị mmiri nke Mmụọ Nsọ, anaenye anyị nghọta ịmata ihe bụ okwuụgha site n'eziokwu. Mgbe azọpụtara anyị, anyị na amalite inwe nghọta ahụ, ma anyị naenwe nke karịrị nke mbụ mgbe edoro anyị nsọ. Ma mgbe anyị naabịaru Onyenweanyị nso mgbe anyị natasịworo ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ, Ọ gaenye anyị nghọta dị ukwuu karị. Anyị gaekpesi ekpere ike ka O zi anyị uche Ya.

Anyị achọghị ikpé nwanna anyị ikpé, Jisọs bụ Onye naekpé ikpé. Ma anyị agaghị ekwenyere ihe náezighị ezi, maọbụ kwenyere ihe Chineke kpọrọ asị. Mmụọ Ya naezi anyị ihe bụ eziokwu, Ọ naeduba kwa anyị n'ụzọ nke eziomume na ezi ịdịnsọ. Anyị pụrụ ịmata mgbe Mmụọ Nsọ nke Chineke naedu anyị náabụghị kwa mmụọ nke onyeiro, n'ihi na Mmụọ Nsọ na Okwu Chineke naekwekọrịta.

Ka anyị bụrụ ndị náadị ndụ otú o kwesịrị ka Chineke nweeike ịza anyị site na Mmụọ Ya, dịka ndị nchụàjà nke mgbe ochie naamata uche Chineke site n'Ìhè ahụ na Izuókè ahụ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kọwaa uwe niile nke ndị nchụàjà.
2. Gịnị bụ ihe edere n'elu mbadamba ihe ọlaedo nke dị n'ihe ike n'isi ahụ?
3. Gịnị ka eziákwà ọcha ahụ naegosi?
4. Òlee otú ekwesịrị iji ihe nke mmụọ chọọ mmadụ mma tupu ọ bụrụ onye kwesịrị ị lụrụ Onyenweanyị ọlụ?
5. Gịnị bụ Ìhè ahụ na Izuókè ahụ?
6. Gịnị bụ Ìhè na Izuókè nke anyị?